# ỌKPỤKPỌÒKÙ NKE NDỊ NÁESOỤZỌ JISỌS

## Matiu 4:12-25; Jọn 1:35-51; Luk 5:27-32

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 18 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Abiaghm ikpọ ndi ezi omume kama ọ bu ndi-nmehie ka ha chègharia" (Luk 5:32).**

**I Mmekọrị ta Mbụ nke Jisọs na Ndị Náesoụzọ Ya**

1. Ọgbụgbaàmà nke Jọn Onyeọwụmmiri tụụrụ ndị náesoụzọ ya aka onye Jisọs bụ, Jọn 1:35, 36; Abù Ọma 107:2; Matiu 10:32
2. Ndị náesoụzọ ya nụrụ okwu Jọn wee soro Jisọs, Jọn 1:37; 10:27
3. Ozi nke Onyeòzízí nye ndị agụụ naagụ mkpụrụobi ha, Jọn 1:38, 39; Aisaia 55:1; Nkpughe 22:17
4. Nzute nke Pita na Jisọs, Jọn 1:40-42; Jemes 5:20
5. Ọkpụkpọ nke Jisọs nye Filip onye dutaara Nataniel Kraist, Jọn 1:43-46; Daniel 12:3
6. Ekpughere Jịsọs dịka Ọkpara Chineke ma wezuga kwa obiabụọ nke Nataniel, Jọn 1:47-51; Abù Ọma 32:2; Nkpughe 14:5

**II Jisọs Rapụrụ Judia Jee Galili**

7. Mgbanwe nke emere mgbe Jọn nọ n'ụlọmkpọrọ, Matiu 4:12; Luk 3:19, 20
8. Ọjụjụ ajụrụ Nazaret, Matiu 4:13; Luk 4:28-30; Mak 6:3-6
9. Arọpụtara Kapanaum na ọlụ agaalụ nime ya, Matiu 4:13; 8:5; 11:22-24
10. Emezuru amụma nke Aisaia, Matiu 4:14-17; Aisaia 9:1, 2; 2 Timọti 3:16

**III Ịzá Òkù Ahụ**

11. Pita na Andrụ, Matiu 4:18-20; Mak 1:16-18; 10:28-30; Jemes 2:5
12. Jemes na Jọn rubeere isi ngwangwa, Matiu 4:21, 22; Ọlu Ndi-ozi 26:16-19; Luk 19:6
13. Oké mkwusa nke Oziọma ahụ nime obodo ahụ niile, Matiu 4:23-25; 11:28
14. Ọkpụkpọòkù nke Matiu, Luk 5:27-32; Ezikiel 33:11; Nkpughe 3:20

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Na Aisaia 43:10 ahụrụ okwu ndịa: "Unu onwe-unu bu ndi-àmàm, ọ bu ihe si n'ọnu JEHOVA puta, na orùm nke M'rọputara." Jọn na agbara Onyenweanyị àmà mgbe o kwupụtara mkwupụta ahụ dị ebube, "Le, Nwa-aturu Chineke!" Enyere ya site ná mkpali nke Mmụọ Nsọ, dịka ọgbụgbaàmà niile nke náewulite obi náaghaghị ịdị, o gosịrị Kraist nye ndị náesoụzọ ya. Ha ñara amamihe ntị (Ilu 10:31), wee soro Jisọs. Ahụrụ agụụ nke obi ha, ngwangwa Ọkpara Chineke wee zaghachi n'olu anụrụ nkeọma sị ha "Bia," nke bamiri nime alaala nke obi ha. Mmekọ nke ha na "Nwa-aturu Chineke" lụpụtaara nnoọ ihe nke metụrụ Andrụ n'obi nke ukwuu (Abù Ọma 34:8), nke mere na ngwangwa ọ kpọrọ Pita wee nye ya ihe ịgbaàmà banyere Onyenweanyị. N'ọgbọ niile, onye ọ bụla nke natara Oziọma nke Ọkpara Chineke n'ezie achọpụtawo ndị ọ gaagwa akụkọ ụtọ ahụ. Otú a edutara Pita nye Kraist. Anyị amaghị ihe Pita kwuru, ma Jisọs kpọrọ ya Kifas, nke bụ ihe ndị Hibru naakpọ nkume.

Filip, kwa, mgbe ọ chọtara ezi ihè ahụ (Aisaia 9:2) malitere ime ihe ahụ ezi onye náesoụzọ na eme -- ịkpọta ndịọzọ. Chineke naele anya ka ndị Ya náenwuru Ya n'eluụwa (Luk 8:16; Matiu 5:14). Otú a eziri Nataniel ozi ahụ, bụ onye nwere obi eziokwu nke bụ ihe dị mkpa mmadụ inwe tutu ya na Jisọs enwee mmekọ. Ngwangwa, ọ matara na n'iru Ya ka Onye ahụ Nke Moses kwuru ihe banyere Ya nọ (Jenesis 3:15; 22:18; Deuteronomi 18:15); na kwa Onye ahụ nke ndị amụma kwuru ihe banyere Ya (Aisaia 7:14; 53:1-12; Jeremaia 23:5; Maika 5:2; Malakai 3:1). O wetaara mkwenye n'otù ntabianya ahụ (Luk 24:45).

Jisọs rapụrụ obodo nke Nazaret n'ihi ekweghịekwe nke obodo ahụ. Ndị ala ahụ rụrụ ụkà chee kwa échìchè sị, "Nwoke a, ọ̀ bugh nwa onye-ọ̀kà ahụ?" Ọ dịbeghị onye nke sitere n'ọrụrụụkà gaa rue n'ama ọlaedo ahụ (Ilu 3:5). Ndị niile ji obi eziokwu ka anabatara, ma ajụrụ ndị okwukwe kọrọ nime obi ha (Ndị Hibru 11:6).

Amụma ahụ nke emezuru, nke achọtakwara n'Aisaia isi nke iteghete (9) amaokwu nke mbụ na nke abụọ, ka edere narị arọ asaa (700) tutu amụa Kraist, ọ naatụ kwa aka ọchịchịrị nke imemmụọ.

Óké ọlụ nke agaalụ (maọbụ ihe anaaghaghị ime) náeso ọnụnụ nke Oziọma ahụ, n'ihi na n'ụbọchị ikpé ihe ndịa niile edere n'akwụkwọ gaekpe ụmụmmadụ ikpé (Jọn 12:48; Nkpughe 20:12, 15).

Ozi nke Kraist, “Chègharianu: n’ihi na ala-eze elu-igwe di nso,” n’ụzọ pụtara ihè, naatụ aka ụzọ nke nzọpụta. Ihe a akpọrọ **“nchègharị ,”** agbakwụnyere na **Alaeze Eluigwe,** gosịrị ihe achọrọ na irueru nke ịba n’Alaeze ahụ. Otù akụkụ nke alaeze bụ nke dị nime obi, akụkụ ya nke ọzọ bụ alaeze ahụ ebuworo n’amụma nke gaemesị bụrụ ihe edoziri n’eluụwa. Ebe Eze ahụ nọ ya, n’ezie Alaeze ahụ dị nso.

Site n’ịkpọ Pita na Andrụ, Kraist kwuru okwu pụtara ìhè nke ndị nụrụ ha pụrụ ịghọta ya nnọọ. “Bianu som n’azu, M’gēme unu ndi-ọkù nākuta madu.” Ozi nke Oziọma abụghị ihe ekpuchiri ekpuchi nye nghọta nke mmadụ, kama, “onye ọ bula nke nāga n’uzọ, ọbuná ndi gbagọrọ agbagọ n’uche-ha, ha agagh-akpafu akpafu” (Aisaia 35:8). Jemes na Jọn nụkwara ya ewee kpalie mmụọ ha isoro Jisọs.

Matiu, maọbụ Livai, onye naalụọlụ obodo, onye ọnaụtụ, onye nọ n’otù nke ndị Rom, ndị Grik, na ndị Ju naasọ oyi. Ndị Ju kpọrọ ha asị n’ụzọ pụrụ iche, ha bụ kwa ndị náechè n’obi ha na ndị ahụ na anatara ndị niile náachịachị ụtụ bụ ndị náere obodo ha. Ma Matiu rapụrụ ihe niile - rapụ nnọọ ọfịs ya na ihe niile jikọtara ya na ha kpamkpam ka o soro Kraist. Ọ dịghị onye ọ bụla tụfuworo ihe ọ bụla site n’isoro ụzọ dị otú a (Matiu 17:24-27; Mak 10:28-30).

Ndị ahụ akpọrọ, rọpụta kwa, ndị kwesịrị ntụkwasịobi bụ ndị ahụ ga naaga n’iru ịlụ ọlụ ahụ mgbe Jisọs rapụsịrị. Ihe niile anyị natara bụ site n’aka ndị ahụ nke náesoụzọ Ya ndị zara òkù nke Kraist. Matiu dere Oziọma nke mbụ; Jọn dere nke anọ, Mak na Luk bụ ndịozi bịara mgbe emesịrị. Akwụkwọozi ndịọzọ kwa ka ndị Chineke arọpụtara dere. Pọl, onye dere akwụkwọozi irinaatọ ka akpọrọ, n’otù ụdị ahụ esi kpọọ ndị ahụ akpọkọtara mgbe Jisọs nọ n’ụwa.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị bụ ihe mbụ nke eji dọrue mmụọ ndịozi ahụ n’ịmata onye Jisọs bụ?
2. Gịnị bụ omume Kraist nye ndị ahụ jụrụ ezi ajụjụ ịmata ihe?
3. Gịnị bụ omume nke onye ọ bụla nke chègharịrị èchègharị n’ebe oziọma dị?
4. Gosi omume pụtara ìhè nke Nataniel.
5. Na mgbe dị añaa ka Jisọs wezugara onwe Ya site na Nazaret?
6. Gịnị kpatara ọpụpụ nke Jisọs site na Nazaret?
7. Òlee amụma emezuru site ná mgbanwe dị otú a?
8. Àkàrà akwụkwọ dị elu ọ̀ dị mkpà n’ịnụ na ịghọta ọkpụkpọùkù nke Chineke?
9. N’iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị nke taa ndị náesoụzọ òle ka anyị hụrụ arọpụtaworo?
10. Gịnị bụ ịdị mkpà nke mgbakọta nke òtù nke ndị náesoụzọ Kraist ndịa, na mmalite nke ijéozi nke Kraist?
11. Site n’obodo ebee nke Palestin ka esi kpọọ ndịozi iri na otù ahụ?
12. Site n’obodo ebee ka esi kpọọ onyeozi nke iri na abụọ ahụ, gịnị bụ kwa aha ya?